# NDỊ SO N'EGWUREGWU A

| | |
|---|---|
| **Ibe** | Nwokorobịa Kọleji |
| **Obike** | Nna ya |
| **Ogbediya** | Nne ya |
| **Mmaji** | Nwanne ya |
| **Nwanyịnkwọ** | Nne Obike |
| **Okwuchi** | Adanne Obike |
| **Onwukwe** | Enyi Ibe |
| **Ike** | Nwa Okwuchi |
| **Nneka** | Nwa Okwuchi nke nta |
| **Nwamkpa** | Ọparanne Obike |
| **Ugomma** | Nwagbọghọ Kọleji |
| **Nweke** | Nna ya |
| **Diwụmma** | Nne ya |
| **Chinwe** | Nwa ha |
| **Mbakwe** | Nwanne Nweke |
| **Izukamma** | Ụmụnna Nweke |
| **Nwaizu** | Ụmụnna Nweke |

# EMUME MBỤ

## Nkeji Mbụ

*(N' okporo ụzọ ụlọ akwụkwọ, Ibe si akwụkwọ na – alọta, lee anya n' azụ wee hụ Ugomma, nwata akwụkwọ ọzọ ka ọ na–abịa. O wereziri nwayọọ, nwayọọ na–aga tutu Ugomma ejekwuo ya).*

| | |
|---|---|
| **Ugomma:** | Ibe, nke a i ruterela ebe a,<br>A gbasakwara a gbasa tupu ị lọtawa? |
| **Ibe:** | A gbasara agbasa. |
| **Ugomma:** | Boo, i jikwa ọgwụ.<br>Ọ dị ka o nwere onye ị na–eche? |
| **Ibe:** | E e e! eji m ọgwụ.<br>Ọ bụ nke ahụ i gwọrọ m |

*(O jesitụ ike ijekwu Ugo, onye nke gafeelere ya.)*

| | |
|---|---|
| **Ugomma:** | H m m. Echere m ma o nwere onye ị na–eche. |
| **Ibe:** | Kedụ onye ọ dị ka m na–eche?<br>O nwere onye ọzọ na–abịanụ ma ọ bụghị gị? |
| **Ugomma:** | O nwere ozi? |
| **Ibe:** | E e e . . . |
| **Ugomma:** | Ngwa ziwenụ (*Ọ na–eje kwa*) |
| **Ibe:** | Chere m.<br>A na–anọ ebe dị anya ata arụ?<br>(*Ugo echeretụ. Ibe n'olu nwayọọ*)<br>Ugo, olee ihe ị na–eme ihe a?<br>Kedụ ụ ụ . . . ?<br>Olee maka ndị . . . |
| **Ugomma:** | (*N' olu ike*) Biko Ibe ziwe ngwangwa,<br>Ka m lawa, oge a gaala.<br>Achọghị m onye ga–ajụwa m<br>Ajụjụ na–enweghị isi na ọdụ<br>Ma m laruo ụlọ ugbu a. |
| **Ibe:** | Ọ bụkwa maka okwu ahụ<br>M gwara gị ụbọchị a.<br>Amaghị m ihe i chepụtara. |

**Ugomma:** Kedụ okwu dị ihe ahụ?
**Ibe:** I chefuole?
Unu ụmụ nwanyị
Amaghị m nọọ otu unu si akpa agwa oge ụfọdụ.
**Ugomma:** (*Ọ garute Ibe nso*) N' ezi okwu echezọọla m ihe ọ bụ
Biko chetaranụ m, ewekwala iwe.
**Ibe:** (*O mie ọnụ ọchị*) Ihe m gwara gị ụbọchị a mmiri na–achọ izo,
Mụ na gị na Ọnwụkwe pụtara n' ama Nwozuzu tupu ya alawa.
Ama m na i chetala ihe ọ bụ ugbu a.
**Ugomma:** (*N' iwe na n' olu ike*) Biko ma o nweghị ihe ị chọrọ ịgwa m,
Ị hapụ ka m lawa.
Ị ga–emekwa ihe ha ga–eji jụwa m ebe m jere,
Ke mgbe a gbasara akwụkwọ (*O selie ụkwụ ịla*)
**Ibe:** (*O mee ka ọ chọrọ ịchọkwuje Ugo*) Ngwa bịanụ
Ọ bụkwa a gwara m gị ụbọchị ahụ na omume gị sọrọ m
Ọ ga–asọ m ma anyị bụrụ ...
**Ugomma:** (*Ọ ghọrọ ya ụfo okwu ahụ n' ọnụ*) Ọ ọ ọ, ọ bụ ya bụ ihe ị na–agbakeriri ala ka mgbe.
Olee ihe bụ okwu ọjọọ
Ma ọ bụ okwu ihere dị n' ime ya?
**Ibe:** Mba o o. Ugo nwanne m,
Ị ma na amaghị m otu m ga–esi dowe ọnụ jụọ gị ya,
Iwe aghara iwe gị,
Maka na ahụrụ m otu i siri machuo ihu gị,
Ụbọchị mbụ m kwubere gị ya bụ ihe.
**Ugomma:** Mba a o!
O nweghị ihe iwe dị na ya
Mana ihe m chọrọ ịgwa gị bụ nke a:
E nwere okwu a na–ekwu n'ụzọ,
Nweekwanụ okwu a na–anọdụ ọdụ medata ume ala kwuo.
**Ibe:** Nke ahụ bụ ezi okwu.
Mana oleenụ ihe anyị ga–eme ugbu a?
Ị ga–abịanụ n'ụlọ anyị,
Ka ị ga–achọ ka m ...
**Ugomma:** (*Ọ ghọbiri ya n' ike*) Mba a! mba a! mba a!
Olee otu m ga–esi chọrọ gị bịawa be unu?



Aga m asịkwanụ na a chọtara m onye?
**Ibe:** Ọ dị mma.
Nta mụ abịa.
Olee ụbọchị ị chọrọ ka m bịa?
Ka nsogbu u u ...
**Ugomma:** Ụbọchị ọ bụla ọ sọrọ gị.
O nweghị ebe m na–eje.
**Ibe:** Ọ dị mma, ụbọchị m ga–abịa,
M ga–agwa gị n'ụlọ akwụkwọ.
Ka e mesịa.
**Ugomma:** Ọ dị mma
Ka e mesịa.

4/23

## Nkeji Abụọ

(*N' oge mgbede echi ya. Mgbe ndị ahịa gachara Ibe ejekwuru Ugo n' ụlọ ha. Ugo nọ n' ezi na–agụ akwụkwọ. Ibe ezuru ezuru bata. Rụtụ ya aka na akpịrị*)

**Ugomma:** Mama m! (*O malie n' ike*)
O o o Ibe!
Ama m na o nweghị onye ọzọ,
Ga–eme ụdịrị ihe a
Ezi okwu obi efuola m.
**Ibe:** Hayi! Ugo!
Ụjọ atụgbuola gị
Ka mgbe m nọ gị n' azụ,
Akwụkwọ nke a ị na–agụ eriele gị isi.
Mama gị ha kwanụ?
**Ugomma:** Ha dị mma,
Mama m ha agachaala ahịa
**Ibe:** Ma ụmụnne gị?
**Ugomma:** Ndị nke ahụ gara ọhịa nkụ.
Ha apụchaala.
**Ibe:** Ugo olee ihe ị na–agụ ihe a?
O nwere ihe e nyere anyị rụọ n' ụlọ taa?
**Ugomma:** Ibe burugodi oche nọdụ ala,
I burule oke ajụjụ gị bịa
Achọghị m onye ga–eguzotere m ọbịa,
Lekwa oche. (*O dotere Ibe oche*).
**Ibe:** (*Ọ nọdụ oche*) Ngwanụ a nọdụla m ọdụ
Ị manụ ihe na–eso mgbe e bunyere mmadụ oche.

**Ugomma:** Olee ihe na–eso mgbe e bunyere mmadụ oche?
**Ibe:** Ọjị nụ!
Ka ọ bụ na ị bụghị onye Igbo?
**Ugomma:** Enweghịkwa m ọjị.
Ọ bụzị ma ị chọrọ ịgụrụtụ akwụkwọ.
**Ibe:** Ugo, oge agaala o o.
Ka m nweekwanụ ike ilaru tupu chi ejie.
**Ugomma:** Kedụkwanụ ihe ị sị m mee?
Ọ bụkwa agwala m gị na enweghị m ọjị?
**Ibe:** Ọjị gịnị, hapụgodu nke ọjị
Ọjị ọ bụ nri?
**Ugomma:** M meekwanụ gịnị?
**Ibe:** Ugo, lee anya ị bụghịzi nwata
Nna anyị ha sị na ụka a kpara akpa,
Ọ bụ isi ka eji ekwe ya
**Ugomma:** Ibe, i burukwala ilulu a
I ji na–achụ anyị na klas bịa ọzọ?
Asị m onye na–agwa m okwu gwa m ya hoo haa.
Anaghị m aghọta ilulu.
**Ibe:** Ọ dị mma.
Ogologo akụkọ adịghị mma n' ụka mgbede.
Kedụ maka ihe nụ
Anyị na–akpa maka ya nwanne ụnyaahụ?
Olee ihe ị chepụtara maka ya?
**Ugomma:** Ibe, ị ma na chi ejiwela
N' ihi nke a, agaghị m atụfu mgbe
Ịgwa gị ihe bụ uche m.
Makana oge eruwela mgbe ndị ahịa
Ga–ebido lọtawa.
I werela anya gị hụrụ na bido
Ka mgbe afọ nke mbụ anyị na kọleji
Ruo n' afọ nke ikpeazụ a anyị nọ n' ime ya,
Enwere m nnukwu mmasị n' ebe ị nọ –
Dị ka gị na onwe gị nwere n' ebe m nọ.
N' ihi ya, enweghịkwa m ọtụtụ okwu ikwu
Karịakwa ịsị gị kọrọ nne gị na nna gị
Ka m kọọkwaranụ ndị nke m
Mara ihe ha ga–ekwu.
Maka ha ka na–azụ anyị azụ.
Ihe onye chọpụtara, ya mee ka ibe ya mara.
**Ibe:** Ugo, i meela.



Okwu gị nile juru m afọ.
Ị na–ekwu okwu ka onye ñujuru mmiri ara afọ.
Mana ihe m chọrọ ịgwa gị
Tupu m lawa bụ nke a
Gbalịa, were ụdịrị ọgụgụ isi a i nwere
Kpọkete nne gị, gwa ya maka okwu anyị
Ọ bụ sitezie n' aka ya ka nna gị ga–esi mata.
Ma n' akụkụ nke m kwanụ,
Aga m anwa oke ike m nile ha
Sitekwa n' aka nne m,
Mee ka nna m mara.
Ọ bụ eziokwu na anyị ka bụ ụmụ akwụkwọ
A ka na–azụ anyị azụ.
Mana ụmụ akwụkwọ nke anyị dị iche;
Anyị ga–agụcha n' afọ a,
Chukwu nyekwere anyị aka,
Anyị pụta anyị ga–enweta ọrụ ozugbo.
Ị nụla ihe m kwuru?
Aga m abịa lawa (*O bilie ịla*)
Nọdụ mma. Ka chi bọọ.
**Ugomma:** Ọ dị mma; ka chi bọọ.
Ije ọma.
**Ibe:** Em – m! Mma!
Kedụnụ mgbe anyị ga–ahụ anya ọzọ
Wee mara ṅga ọsụnkwu dowere ọdụ?
**Ugomma:** M – m – m, ka ọ dịwanụ izu ụka ọzọ
**Ibe:** Mba a.
Izu ụka ọzọ etaka aka.
M chọrọ ka anyị bido n' abalị taa.
Kwuwe okwu gbasara ya
Ihe dị ka nwanne echi m bịazie
Anyị mara ihe anyị jetara.
**Ugomma:** Ọ dị mma.
Bịawanụ nwanne echi
Ka m mara ma ohere ọ ga–apụtara m
N' anyasị a maka ịgwa Mama m
**Ibe:** Ọ dị mma,
Ka e mesịa
**Ugomma:** Ka e mesịa

**(Ọkụ wee nyụọ)**

# EMUME ABỤỌ

## Nkeji Mbụ

*(N' oge anyasị, n'ụlọ nna Ibe, mgbe ha risịrị nri anyasị Ibe wee bido gwawa nna ya, nne ya na Nwanyịnkwọ okwu banyere Ugomma)*

**Ibe:** Nna a!
Ihe m chọrọ ịgwa gị na nne n' anyasị a bụ:
O nwere otu nwata ụlọ akwụkwọ anyị
Mụ na ya matara ka mgbe afọ nke mbụ anyị na kọleji
Aha ya bụ UGOMMA.
Umere ya masịrị m nke ukwuu.
Nke bụ na achọrọ m ka m lụọ ya.
N' ihi ya ka m ji sị ka m gwa unu.
Makana egbe anaghị efewe ufe ghara ọjị.

**Ogbediya:** Ị sịị . . .

**Obike:** Chere *(n' olu ike)*
Ọ gala isu gị!
Ọ bụ gị ka o kwusara ihe a?

**Ogbediya:** O – o – o kaaghara.
Unu ewela iwe,

**Obike:** Ibe!
Ị sị aha nwatakịrị nwanyị ahụ bụ gịnị?

**Ibe:** Aha ya bụ Ugomma.

**Obike:** Ị sị na ọ na–arụ gịnị?

**Ibe:** O nweghị ihe m sị na ọ na–arụ
M sị na ọ bụ nwata ụlọ akwụkwọ anyị.

**Obike:** Ọ na–agụ gịnị?

**Ibe:** Mụ na ya nọ n'otu klas
N'afọ a ka ọ ga–apụta.

**Ogbediya:** Nwata nwanyị ọ bụ, ọ makwara mma . . .

**Obike:** *(N' olu ike)* Nwanyị a cherekwanụ ka m nụ ihe!
Werekwanụ ntị gerewe.
Mgbe m jụchara ya ihe bụ uche m
Gị na ya emerewezịa etu ọ sọrọ unu.



*(Ọ jụọ Ibe)* Ị sị na nwatakịrị nwanyị a bụkwanụ onye olee?
Onye mụ ya?

**Ibe:** Ọ bụ onye Ọmụkwu Agbaja
Nna ya bu Devidi nke onye ọrụ ụzọ

**Obike:** *(Obi iwe)* Ibenegbu, ihe a ị na–ekwu,
O si gị n'obi pụta
Ka ọ bụ na mmadụ ziri gị kwuo ha?
Ọ dị m ka mmanya na–egbu gị
Makana okwu a ị na–ekwu
Abụghị okwu onye anya zuru oke.
Kedụ ihe tinyere gị ụdịrị echiche a n'isi?
Ka mgbe m bụ nwata nna m anwụọ
Mụ na nne mụ a nọ nga a
Tara ahụhụ elu
Taa ahụhụ ala
Wee lụbata nne gị a nọ nga a ugbu a
Tupu anyị wee mụta gị na Chinyere.
N'ime mkpụrụ ụmụ abụọ ndịa Chukwu nyere m,
Gị bụ nke mbụ.
M wee dụọ isi kwe Chineke nkwa,
Sị kama ịma akwụkwọ kwara m
Ga–akwakwa ụmụ m
Ọ ga–akara m mma
Na m gbara ọtọ na–aga
Ịhụ na unu mụtara akwụkwọ
Ka mgbe ahụ, anyị hie aji n'ukwu
Na–azụ unu na nri
Na–azụ unu na mmanya
Na–azụ unu n'akwa
Na–azụkwa unu n'akwụkwọ.
Anyị taa ahụhụ nke anyị maara
Anyị ataa nke anyị na–amaghị
Nwee nchekwube na olile anya,
Na mgbe unu topụtara za mmadụ
Ụbọchị ga–adịrị anyị mma.
Ụfọdụ ndị bụ ọgbọ m zụkwara ụmụ ha
N'akwụkwọ isii,
Ụfọdụ edunyeghị ndị nke ha
Ma ọ bụladị nke otu ụbọchị,
Mana mgbe ị pasịrị akwụkwọ isii

Ekworo m gị ree nkwụ, ree ngwọ, ree ụkwa, ree ube,
Reekwa ọhịa m na ala m nile
Iji duba gị na kọleji.
Nke a bụ afọ ise gị na kọleji,
Ị pụtabeghị na kọleji ahụ
Ị bidobeghị ọrụ
O nwebeghị ngà ị kwụ akwụ
Ihe mbụ i nwere ike ibu ụzọ gwa m
Bụ na ị chọrọ ịlụ nwa Devidi.
Jee lụwanụ nwa Devidi,
Anọchiiri m unu ụzọ?
Olee nga akwaụra m ahụ dị
Ka m jee dina,
Zuoro onwe m ike.

(*O bilie pụọ baa n'ime ụlọ. Nne ya ewere obi nne kpọghachi ya azụ.*)

**Nwanyịnkwọ:** Obike! Obike!
**Obike:** A a a a
**Nwanyịnkwọ:** Bịa nwa m, bịa
(*Nwantịtị oge ọ bata*)
**Obike:** Ọ bụ gịnị?
**Nwanyịnkwọ:** Bịa nwa m nọdụ ala
Ka anyị lebakwala okwu a anya.
O nweghị otu anya dị a ghara ile ya ele
O nweghị ihe ntị nụrụ chie
Ihe a na-amaghị otu a ga-eme ya
Otu a na-eme ya dị.
Ibe nwa m, ọ bụ eziokwu,
Na i topụtala ihe e ji mmadụ eme ugbu a,
O nwebeghị ihe ọjọọ m hụrụ n'okwu gị
Mana ihe m chọrọ ka i doo anyị anya bụ,
Otu ị ga-esi nọrọ n'ụlọ kọleji
Na-alụ nwanyị, na-agụkwa akwụkwọ,
Makana a naghị e ji ụkwụ abụọ awụ ogwe.
**Ogbediya:** Ibe nwa m ị nụla ihe nne na nna gị jụrụ,
Kọwaziere anyị nke ọma
Ka anyị mara ihe anyị ga-ekwu.
Nwokorọbịa itopụta lụọ nwanyị
Mụta ụmụ bụ ihe nne na nna



Ọ bụla na-achọ.
Mana ihe ọ bụla na-aga n'anya ya.
**Ibe:** Anụla m ihe unu kwuru
Mana a ghọtara m na iwe nna m
Abụghị na mụ etorubeghị ịlụ nwanyị
Ma ọ bụ na mụ etosighị ịlụ nwanyị ma ọlị.
Kamana iwe ya bụ, na mụ enwebeghị aka ọrụ.
Ọ bụ eziokwu na m ka bụ nwata akwụkwọ
Mụ na onwe m maara nke ahụ nke ọma.
A naghị agwa nwata agwa sị ya kuru nwa ọ tọtara.
Aga m agụpụ akwụkwọ m
Mana ihe m na-ekwu bụ ka unu mara
Na ahụla m onye m ga-alụ mgbe m jikeere.
**Obike:** Nne, gị na Ogbediya nwunye m,
Geekwenụ ntị
A sị na okwu mmadụ kwuru mgbe
Mmanya na-egbu ya
Ka o bu n'obi mgbe
Anya zuru ya oke.
Okwu a Ibe kwuru n'abalị a
Egosịla m ihe ọ na-amụ na kọleji.
Uche m bụrụ sị ya pụta na kọleji n'afọ a
O banye ụlọ akwụkwọ nke ọzọ,
Ebe a na-azụ ndị nkuzi.
O mee otu afọ na nke ahụ pụta
O nwezie ike inweta ọrụ nkuzi,
Mana ugbu a leenụnụ ihe ọ na-eche,
Onye a na-echere uche ndụ
Ọ na-echere onwe ya uche ọnwụ.
Site taa gawa n'ihu,
M tinyele anya n'ihe gbasara Ibe ọzọ
Maranụ na abụkwaghị m Obike Ekwueme.
Ọ dị mma ka anyị na-elenụ anya. (*Ọ rụọ Ibe aka*)
Ị lụchaa nwa Devidi, ị ga-alụkwa nke Solomon.
**Ogbediya:** Nna m ukwu, di m,
Amaghị m nke m ga-ekwu ugbu a,
Ị sị na mụ ekwuola.
Ọ bụ Ibe ka ị na-adụrụ isi
Ka ọ bụ onye ọzọ?
Ibe ọ bụ onye ụzọ ama?
Ọ bụ onye mba?

Ọ bụkwa nwa gị?
Chetakwa na a sị na
Onye tinyere nnu na nri ma
Ọ pụtaghị ya, nke o tinyere
Etinye furu efu.
Gị hapụ izụpụcha Ibe ugbu a
Ihere ga–abụzi nke anyị . . .

**Obike:** (*N'olu ike ọ ghọbiri ya okwu n'ọnụ*). Ya bụrụwa!
O nweghị ihe anya hụrụ gbaa ọbara.

**Nwanyịnkwọ:** Ibe, bịa ka ị lakpuru
Ogbediya, labanụ, oge agaala
Hapụnụ okwu ahụ otu ahụ.
**(Ọkụ wee nyụọ Kọtịnị emechie)**

5/14

## Nkeji Abụọ

(*N' ụtụtụ echi ya, Ibe mara ụzọ jekwu enyi ya nwoke bụ Ọnwụkwe sị ya duga ya ebe nwanne ya a lụ n' Obizi. Ọnwụkwe na–asụ akwa mgbe Ibe batara.*)

**Ibe:** (*Ọ kụọ aka n ụzọ*) Ọnwụkwe ọ nọkwa ya e?

**Ọnwụkwe:** Ọ bụ onye?

**Ibe:** Mmadụ!

**Ọnwụkwe:** Onye ahụ ọ bụ Ibe?

**Ibe:** E e e

**Ọnwụkwe:** Biko batawa
Eji m ọrụ n' aka

**Ibe:** Olee ebe ị nọ?

**Ọnwụkwe:** Anọ m ebe azụ ụlọ ebe a o

**Ibe:** Agụ nna!
Ị na–asa akwa?

**Ọnwụkwe:** Nnaa, ka m sachatụ akwa
M ga–eji jee Ụka echi
Na akwụkwọ ụbọchị Mọnde.
Ị saala nke gị?

**Ibe:** Onye sara?
Bịa ka mụ na gị hụ boo.

**Ọnwụkwe:** Ụzọ nke a ị mara n' ụtụtụ a,
Na–ebughị ụzọ saa akwa
I jiri gaa akwụkwọ n' izu ụka a,
Ọ dịkwa mma?



**Ibe:** Ọ dị mma nna a
Ọ dịchaghị
Obi adịghị dimkpa mma.

**Ọnwụkwe:** Amaara m sị ihe mere ede o jiri bee nwịm
Gịnị mere? (*Ọ dịrị, na–ele Ibe anya*)

**Ibe:** Ñachaanụ akwa gbasaa ya
Bịa ka anyị baa n' ime ụlọ.

**Ọnwụkwe:** Ọ dị mma
Biko chetụnụ nwantịntị
(*Ha baa n' ime ụlọ nọdụ ala*)
Biko akọkwala m ọji

**Ibe:** Mbaa, e sogbula
Biko nwanne m a chọrọm
Ka i duga m Obizi nga adanne nna m.

**Onwụkwe:** Gịnị mere?
Udo ya dịkwa?

**Ibe:** Udo dị nọọ
Ọ bụ maka okwu mụ na Ugomma

**Ọnwụkwe:** Ahaa!
Kedụzi maka ije gị na nwa ahụ?
Ama m na i mechaziri hapụ ya
Ka ọ bụ na ọ ka kakwara gị obi?

**Ibe:** Agụ nna a ọ dizi ka ị maghị onye m bụ
Mgbe nile m na–akọrọ gị maka Ugomma
I chere na m na–ama njakịrị?
Ije mụ na nwa ahụ apụọkwalanụ n'egwu
Ọ bụ maka ya ka m bịara ihe a.

**Ọnwụkwe:** Mgbe m nọ n' azụ ụlọ nụ olu gị.
M matara na ihe mere ede o ji bee nwịm.

**Ibe:** Ọ bụ eziokwu ka i kwuru.
Awọ anaghị agba ọsọ ehihe n' efu:
Ma ọ dịghị achụ ihe,
Ihe na–achụ ya.

**Ọnwụkwe:** Ị sị na gịnị mere n' Obizi?

**Ibe:** Biko nwa nnaa,
M chọrọ ka i duga m Obeakpụ Obizi
Nga a lụ adanne nna m
Ka ọ bịa gwara m nna m okwu
Maka ihe gbasara ọlụlụ mụ na Ugo.
Akpọrọ m ya na nne m n' anyasị
Kọọrọ ha ihe bụ uche m

Mana nna m achọghị iji ntị nụ ihe m na–ekwu.
**Ọnwụkwe:** Olee ihe bụ iwe nna gị
N' ime ya bụ okwu?
Olee ihe bụ ihe o kwuru?
**Ibe:** Isi okwu ya bụ na mụ enwebeghị aka ọrụ,
Kedụ ka m ga–esi bụrụ nwata akwụkwọ
Nọrọkwa nga ahụ na–ekwu okwu ịlụ nwanyị
Na ọ bụrụ nwanyị ka m mkpa
Mụ hapụ akwụkwọ gwa ya
Ka ya lụtara m nwanyị
Ma ọ bụrụkwanụ na m chọrọ
Ibu ụzọ gụpụchaa akwụkwọ,
Mụ hapụgodi nwanyị
Na ya agaghị na–akwụrụ m ụgwọ akwụkwọ
Na–alụkwara m nwanyị.
**Ọnwụkwe:** M m m!
Olekwanụ ihe ị sara?
I cheghị na ihe a o kwuru dabara adaba?
Ọ kwa ihe a bụkwa ihe m sara gị,
Ụbọchị mbụ ị kọtaara m ya?
**Ibe:** Ọ bụ ihe ị sara m.
Okwu ya dị mma
O nweghị ihe ọ bụla dị njọ n' ihe o kwuru–
N' ezie, okwu ya gosiri na
Ọ na–echere m echiche maka ọdịmma m
Na ọganihu m
Mana ihe m chọrọ ka ya na nne m ghọta bụ
Na Ugo agaghị egbochi m ịgụpụ akwụkwọ m.
Ihe mụ na ya kpebiri bụ ka anyị mee
Ka nne na nna anyị mata uche anyị,
Mee ụmụ obere omenala ole na ole
Hapụzie ihe ndị ọzọ otu ahụ
Mgbe ọba hụrụ ji ya ekee
Ị ma n'oge anaghị eche mmadụ.
M chọghị ka ha naghara m Ugomma
N' ihi ya ka m ji sị
Ka m were ehihie chọwa ewu ojii.
**Ọnwụkwe:** Otu i chere dị mma
Ugbu a ị chọzirinụ ka adanne nna gị . . .
**Ibe:** Achọrọ m ka i duga m
Ka m jee kọọrọ ya ihe nile



Makana ya bụ onye ga–ekwu ihe
Ga–aba nna m na ntị,
Ụka buru ma nne m
Ukwu mụ na ya bụ otu.
**Ọnwụkwe:** Ọ dị mma ka m jikerenụ anyị jee (*Ọ pụọ iyi efe*)
Lọta ngwa ngwa
Ka m wee nwee ike ịgbatị akwa ndị a
M sara mmiri.
**Ibe:** Anyị agaghị atụfu mgbe ọ bụla ebe ahụ
Makana mụ onwe m ka banyere akwa
Ndị nke m na mmiri.
Ụjọ na–atụ m
Bụ na anyị ga–ejekwukwa ya n' ụlọ ugbu a
Makana taa bụ nnukwu ahịa ha.
**Ọnwụkwe:** Kedụ dị ụbọchị ị ga–asị ya bịa?
**Ibe:** M ga–achọ ka ọ bịa n' anyasị taa
Makana echi ka mụ na Ugo kwekọtara na anyị
Ga–ezukọ, mara ihe bụ uche ndị nwe anyị.
(*Ha wee pụta*)

**Kọtịnị Adaa, Ọkụ Wee Nyụọ**

## Nkeji Atọ

(*N' ulo Okwuchi, adanne nna Ibe. Mgbe ha ruru, Okwuchi nọ n' ime ụlọ na–akwakọta ihe ndị o ji eje ahịa n' ime abọ. Ụmụ ya abụọ, Ike na Nneka, nọ na–ata eberebe akpụ na akụ mkpịrị nga ahụ nne ha nọ n' ime ụlọ, Ibe na enyi ya nwoke wee kụọ aka bata*)

**Okwuchi:** Ike, biko nwa m lekwa nwa nne gị
Achọwala m ije ahịa
Ka m jee zụta ihe ndị anyị ga–eji sie ofe n' abalị
Ya adịkwala ebe unu na–eje tupu mụ lọta.
Werenụ eberebe a gbara ume
Tupu ruo mgbe m ga–alọta sie nri anyasị.

(*Ike jee bute nkwume, Nnenna kpote akụ, Ike bido tipiawa ya. Nne ha ka na–ejikwa kwa*)

**Ike:** Nneka! ekwekwala ọkụkọ manye eberebe ahụ ọnụ
Ka m tite akụ anyị ji ata ya.

(*Ibe ha wee kụọ aka n' ụzọ ugboro atọ*)

**Ibe:** Kpọm! kpọm! kpọm!
**Okwuchi:** Onye na–akụ?
**Ibe:** Mmadụ!
**Okwuchi:** Ike biko nwa m jee lee onye na–akụ aka.
**Ike:** Dede! (*Ọ makụọ ya*)
**Ibe:** Ike!
**Ike:** E e e
**Ibe:** Ị dịkwa mma?
**Ike:** E e e
Unu abịala!
**Ibe:** Ahaa
Mama unu, ọ nọkwa ya?
**Ike:** E e e
Ọ nọ n' ime ụlọ
Mana ọ na–ejikwa ije ahịa

(*Ibe na Ọnwụkwe na Ike bakwuzie Okwuchi na Nneka n' ime ụlọ.*)

**Ibe:** Da nne! I nọọla? (*Ọnwụkwe ekeleekwa ya*)
**Okwuchi:** Nna m! Unu abịala.
Onye kpọ gị ebe a?
Ọ dịkwa mma?
Ginị mere?
Obike ọ nọkwa ya?
**Ibe:** Ọ nọ ya.
**Okwuchi:** Nne gị na ụmụ ya kwanụ?
**Ibe:** Ha dịchanọọ mma
**Okwuchi:** (*O butere ha oche abụọ*) Biko werenụ oche

(*Ọ kpọzie Ikechukwu, onye nke pụrụla ezi hapụzịa Nneka, onye nke nọzi nso, ya Ikechukwu bịazia, nne ya kpọrọ ya izi ya ozi n' ụlọ ime*)

**Ọnwụkwe:** (*Ọ kpọọ Nneka ịjụ ya ese*) Bebi bịa (*Nneka abịa*)
Kedụ?
**Nneka:** Ọ dị mma
**Ọnwụkwe:** Aha gị ọ bụ ginị?
**Nneka:** Nneka
**Ọnwụkwe:** Nneka
Aha gị amaka (*Nneka ahapụzia ya pụọ*)
**Ibe:** Da nne! Da nne!
**Okwuchi:** (*N' olu dịtụ elu*) Ana m abịa
**Ibe:** Biko da nne bịa.
Ọ dị anyị ọsịsọ.



**Okwuchi:** Ọ bụ nnọọ otu ọ na–adị gị
Mgbe ọ bụla ị bịara ngaa.
Ihe ị chọrọ ịgwa m ọ bụ na
Unu agaghị eri nri, tupu unu alawa?
**Ọnwụkwe:** (*Ọ gwa Ibe*) Ka anyị hapụ ihe oriri
Kwuo ihe anyị kworo bia,
Mgbe anyị laruru ụlọ anyị eriwe.

(*Okwuchi ka nọkwa n' akụkụ na–egwe ose n' odo. Ikechukwu wee chiri ngwugwu ụgba anọ bata jee be nne ya nọ.*)

**Ibe:** Da nne, biko enyele onwe gị nsogbu maka ihe oriri
Anyị riri ihe ụtụtụ tupu anyị abịawa
Ọ kwa ọ bụ ahịa ka ị na–ejikwa ije
Tupu anyị bata?
Ka ọ bụ na ị chọkwaghị ịga makana anyị biara?
**Okwuchi:** Ebe unu sị na unu agaghị eche
Ka m siere unu ihe ka unu detụ ọnụ,
Tupu unu alawa, hapụnụnụ.
Ahụla m nke ụmụ m ga–eri
Ọ fọzịa nke a ga–ehuru ekpe
Onye ga–eri ya?
Werenụnụ nke a gbapụ azị.

(*Ọ pụọ hapụ ha banyekwa n'ime ụlọ ebe ya na Ike nọ. Mgbe ha tasịrị, Ike butere ha iko mmiri abụọ, buru ọkụ na eku pụọ; Okwuchi wee bata*)

**Ibe:** Da nne i meela!
**Ọnwụkwe:** Nne i meele!
**Okwuchi:** (*O buru oche nọdụ ọdụ*) Ndewonụ ụmụ m
**Ibe:** Da nne, o nwere okwu dị nnukwu mkpa
Anyị ji wee bịa,
Ke mgbe m bụ nwata ruo taa,
Gị onwe gị maara
Na mụ abụghị onye na–emere
Nne na nna isi ike,
I makwaara na mụ abụghị onye na–emebe
Ihe ọ bụla hapụ i bu ụzọ gwa ndị mụrụ ya.
Ị makwaara na mụ anaghị eje ije ihere
Ma ọ bụ ije nzuzu
Anaghị m egwu ọnụ na–adighị ihe dị ya
Ọ bụ eziokwu na nne na nna
Ga na–akụziri ụmụ ha ezigbo nkuzi

Na–ezi ha ezi ụzọ ha ga–eso na ndụ ha.
Mana o nwere ụfọdụ ihe, mmadụ tosiri
Ikpebi n' onwe ya,
Tupu ọ gwa nne na nna ya.

**Okwuchi:** (*O kwee n' isi*) Nke ahụ bụ ihe mere eme.

**Ibe:** O nwere otu nwata nwagbọghọ
Mụ na ya matara ka mgbe anyị bụ nwata,
Na–ejekọ akwụkwọ n' otu ụlọ akwụkwọ.
Bido mgbe m nọ n' A B D
Ka mụ na ya matara, tutu ruo ugbu a
Mụ na ya nọkwa n' otu kọleji.
Mgbe ahụ anyị ka nọ n' ụlọ akwụkwọ obere
Ka anyị kwekọtara na anyị ga–alụ di na nwunye
Mgbe anyị toro gụsịa akwụkwọ
Ugbu a anyị abụọ ga–apụta n' kọleji n' afọ a
Ọ bụ ya ka m kpọrọ nne m na nna m gwa ha
Mana nna m achọghị iji ntị nụ ihe m na–ekwu

**Okwuchi:** Olekwanụ ihe nne gị na nna gị si bụ iwe ha?

**Ibe:** O nweghị ihe ọ bụla dịịrị mụ na nne m
Obi tọrọ ya ụtọ mgbe ọ nụrụ ihe a.
Ọ bụ nna m bụ onye na–agba m ajịrịja *giving me trouble*
N' ime ya bụ okwu

**Okwuchi:** Gịnị bụ ihe nna gị sị bụ iwe ya?

**Ibe:** Ọ sị na iwe ya bụ na m ka bụ nwata akwụkwọ
Na ya agaghị na–azụ m n' akwụkwọ
Na–alụkwara m nwanyị otu mgbe ahụ
Mana ihe m chọpụtara n' onwe m bụ na
Ọ chọrọ ka ya were aka ya chọtara m onye m ga–alụ.

**Okwuchi:** Ọ lekwanụ ihe bụ uche gị n' ihe a nna gị kwuru?

**Ibe:** Ihe bụ uche m bụ
Gị marakwa ihe ị ga–abịa gwa ya,
Gị abịa gwa ya, n' ihi na sọ gị na–ekwu
Ihe ọ na–anụ
Makana o nweghị ihe ga–eme mụ alụla Ugo.
Kama m hapụ ịlụ ya
Abụrụ m okokporo laa mmụọ (*Ọ gbarụọ ihu*)

**Okwuchi:** (*Ọ gwa Ọnwụkwe*) Nwa m nwoke, ị hụla otu
Enyi gị nwoke na–esi ewe iwe ọkụ?

**Ọnwụkwe:** Ọ bụ ihe m gwara ya
Na ụdịrị ihe a abụghị ihe



A na–abata na mba
Ma ọ bụ weta n' iwe.
Ọ bụ nwayọọ nwayọọ ka e ji aracha ofe dị ọkụ.
Mgbe ọ kọtaara m na o nwere nwanne
Nna ya alụ ebe a,
M gwara ya na ọ bụ n' aka ya
Ka anyị ga–esi nweta ihe nile anyị chọrọ.

**Okwuchi:** (*Ọ chịa ọchị nwa ntịntị*) Nna m, anula m ihe unu kwuru.
O nwebeghị ihe mebirinụ
Ọ ga–adịcha mma.
Unu ga–alawa ka m jewe ahịa m chọrọ ije.
(*Ha bilie ịla*) Ị gwaghịkwanụ m ihe bụ uche onye
Ọ bụ ma gị na ya, nwagbọghọ ọ bụ.

**Ibe:** Mụ na ya akpazichaala ihe nile
Ọ sị ihe nile dịzị mụ na ndị nwe m n' aka.

**Okwuchi:** Ị sị na aha ya bụ gịnị?

**Ibe:** Aha ya bụ Ugomma

**Okwuchi:** Onye olee?

**Ibe:** Onye Ọmụkwu Agbaja.

**Okwuchi:** Onye mụ ya n' Ọmụkwu Agbaja?

**Ibe:** Devidi Okeosisi, nke onye ọrụ ụzọ.

**Okwuchi:** Devidi nke a mụ nwanyị ya n' Uturu?

**Ibe:** E e e

**Okwuchi:** Ọ dị mma.
M lọta ahịa n' oge m ga–abia tupu ndị nri anyasị eriwe.

**Ibe:** Ọ dị mma, da Nne jisie ike bịa taa,
Makana echi ka m ga–eje ebe ahụ.

**Ọnwụkwe:** Ka e mesịanụ.

**Ibe:** Ka e mesịa. Anyị ga na–eche gị.

**Okwuchi:** Ọ dị mma.
Ka e mesianụ, ụmụ m.
(*Okwuchi buru abọ ya jewe ahịa.*)

**(Ọkụ nyụọ)**

# Nkeji Anọ

*(N' ụlọ Obike, Obike anọghị n' ụlọ. O jere ahịa mgbe Okwuchi bịara. Ogbediya na–esi nri mgbe ọ bịara. Ọ kụọ aka n' ụzọ tupu ọ bata. Nwantịntị oge, Ibe gara bata. Nwanyịnkwọ nọ n' ime ụlọ nke ya)*

**Ogbediya:** Mmaji! Mmaji!

**Mmaji:** Ooh! (*Ọ gbara ọsọ bata*)
Ị lọla nne m.

**Ogbediya:** E e e!!
Ebee ka gị na ụmụ nne gị nọ?

**Mmaji:** Anyị nọ ebe ihu ama
Na–eche mgbe ị ga–alọta
Anyị ahụghịkwanụ mgbe ị gafetara.

**Ogbediya:** Esi m ụzọ azụ ụlọ bata.
Biko nwa m were ihe mehuo ọkụ
Ka anyị siwe nri anyasị
Tupu nna gị alọta.
(*Ha ebido isi nri; na ngwucha isi nri a kụọ aka n' ụzọ*)

**Okwuchi:** Kpọm – Kpọm – Kpọm
Mmadụ ọnọkwa ebe a e?

**Ogbediya:** Onye ahụ ọ bụ onye?

**Okwuchi:** Ọ bụ mụ o

**Ogbediya:** (*Ọ gwa Mmaji*) Jee mara onye na–akụ aka, megheere ya ụzọ.

**Mmaji:** Da Nne!
Ị bịala

**Okwuchi:** Ị hịị nwa m
Unu dịkwa mma? (*Mmaji zaa ya, E e e!*)
Nne gị ọ nọkwa ya?

**Mmaji:** E e e!

**Okwuchi:** Ogbediya na ụmụ ya,
Ana m ekele unu o o

**Ogbediya:** O O O!
Ada nne di m!
Ị bịala.

**Okwuchi:** E e e. Unu dị añaa?

**Ogbediya:** Anyị dị mma.
Onye kpọ gị bia ebe a n' abalị a?

**Okwuchi:** Mụ kpọ nọọ onwe m.



**Ogbediya:** (*O bute oche*) Oche dị

**Okwuchi:** E e e. Ka m kelegodi nne
Ọ nọkwa ya?

**Ogbediya:** E e e. Ọ nọ ya.
Ọ dị m ka ọ nọ n' ime ụlọ ya.

*(O si ụzọ ọzọ pụọ ije ịhụ nne ya – agadi nwanyị, Nwanyịnkwọ. Nwantịntị oge ọ batakwa.)*

**Okwuchi:** Ogbediya!
Bịa, di gị ọ nọkwa ya?

**Ogbediya:** Ọ bụ ụdị obi o bu
Mgbe m na–ekwu, unu sị mụ ekwuole,
Ihe a bụdi ahịa o jere ka mgbe ehihie.
Maka ihi ya ka m ji were ọsọ na–alọta
Iji hụ na m siri nri anyasị n' oge.

**Okwuchi:** Biko ya lọta ngwa ngwa
Chi nahụ eji
Ka m laa jee siere ụmụ m nri abalị
O nweghị ihe ọ bụla ha riri n' ehihie.
Tupu m jewe ahịa.

**Ogbediya:** (*O lepụ anya n' ihu*) O hoo, ije gị dị mma, ọ lọtawala

*(O jiri ojiji ndị Igbo batā, mkpara n' aka, akwa mmiri n' olu)*

**Obike:** (*Na mgbagwoju anya*) Ha!
Onye kpọ onye nke a ebe a?

**Okwuchi:** Ọ bụ mụ kpọ onwe m
Ị lọtala!

**Obike:** E e e!
Kedụ maka ụmụaka gị?

**Okwuchi:** Ha dịchannọọ mma.

**Obike:** Biko bịa buru oche nọdụ ala.

**Okwuchi:** Mụ na unu nwere ntakịrị okwu.

*(O buru oche ya bịa nọdụ ala, nwanyị ya buru nke ya bịakwa nso)*

M ga–achọkwa ka nne nọdị ebe a were ntị ya nụrụ ihe m na–ekwu.

**Obike:** Ibe! Ibegbu!

**Ogbediya:** Ahụbeghị m ya ka mgbe m lọtara ahịa.
Mmaji! Mmaji!

**Mmaji:** E e e!

**Ogbediya:** Jee kpọọ nne di m
Sị ya na anyị nọ na–eche ya ebe a

*(Ọ gbapụ, si nke ahụ pụọ. Nwanyịnkwọ si ụzọ ahụ Mmaji siri pụọ were mkpara ya gara bata, Aka n'ukwu o were oche dị ala).*

**Okwuchi:** Ndewonụ!
**Ndị Ọzọ:** Ndewoo! Ndewo nwa m
**Okwuchi:** Okwu m jiri bịa ugbu a dị nwa nkenke
Mana ọ bụ nnukwu okwu dị mkpa.
Nna nna anyị ha sị na okenye anaghị anọ n' ụlọ,
Ewu amụọ n' ọbụ.
Isi okwu m bụ maka nwa unu nwoke bụ Ibe.
Ibe etoruole ihe e ji mmadụ eme
N' afọ a ka ọ ga–agụcha akwụkwọ,
Ọnwa ole na ole a fọrọnụ
Enweghị ihe ọ gbochiri mmadụ ime.
Ndị ọgbọ ya ha alụchaala nwanyị,
Ka mgbe afọ gara aga.
A sị ọ ka na–aga akwụkwọ.
Ọ bụkwanụ mmadụ na–eche oge
Oge anaghị eche mmadụ.
Ugbu a anụrụ m na o nwere,
Onye nke o jiri aka ya họta,
Sị na ọ bụ onye ya chọrọ ịlụ.
Ọ bụ site n' ọnụ otu enyi m nwanyị
Ka m siri nụ ya.
Obi tọrọ m nnukwu ụtọ mgbe m nụrụ ya
Makana ya bụ nwagbọghọ mara mma agwa,
Nweekwa uche na mgbasike
Amaara m nne ya na nna ya nke ọma.
Ha bụ ndị ezigbo mmadụ.
Ha nwere nkwụ na ngwọ hie nne
Ewu na ọkụkọ bụ aja nga ha.
O nweghị ihe ha ji mgbara ala eme
N' ihi ya achọrọ m ka ukwu anyị
Na Ibe bụrụ otu, ka anyị jee lụtara ya
Ya bụ nwata ugbu a ọ kara ya obi.
*(Ibe wee gara bata ya na enyi ya Ọnwụkwe)*
Ọ bụkwanụ otu ọ ha m n' olu.
**Ogbediya:** Lekwadị Ibe ọ bụ ka ọ na–abịa.
**Obike:** Ibegbu bịa ngaa



Were oche
Ọnwụkwe jee chere ya n' ime ụlọ.
**Nwanyịnkwọ:** Ụmụ m geenụ ntị
Okwu unu nile dị mma na ntị.
Ka mgbe ụbọchị a Ibe nwa m kpọrọ anyị
Kọọrọ anyị ihe a
Ka m na–eche ihe gbasara ya
Mgbe ọ bụla m labara n' abalị.
Ya bụ okwu abụghị ihe a na–abata na mba
Ma ọ bụ weta n' iwe.
Ọ bụ ihe anyị ga–etinye anya na mmiri
Were nwayọọ na otu obi so ya.
Ọ bụghị ihe anyị ga–ekwo na–adọkasa uwe anyị.
Ma ọ bụ bịa kowe onwe anyị obi n' elu
Ọ dị m obi ụtọ na Chukwu mere ebere
Okwuchi anọrọ nga a ugbu a
Nga nwata na–ebe akwa atụ aka,
Ma ikwu nne ya anọghị ya,
Ikwu nna ya nọrọ ya.
N' ihi ya, anyị ga–ekwenye ihe Ibe kwuru
Makana ahụla m na obi ya nọ nga
Ya bụ nwata nọ.
A maghị ihe na–etijiri nkụ tụnye na mmiri
A sị na ọ bụ enwe.
Obike, ị nụrụ ihe m kwuru?
**Obike:** *(N' olu nwayọọ)* Anụla m ihe i kwuru, nne.
A ga–ekweta n' ihe i kwuru
Makana ọ bụ gịnwa kwuru ya.
Mana ọ bụrụ n' uche aka m,
O nwekataghị ka m kwete na nwa m
Ga–anọ n' ụlọ akwụkwọ lụwa nwanyị.
Dị ka nne m n' ihe i kwuru
Ijikwa nye gị ugwu na nsọpụrụ,
Ugbu a oleenụ ụzọ anyị si eso ya?
**Okwuchi:** Ekeleele m unu,
Kamakwa Obike, opara nne m,
Iji mee okwu ka ọ dị nkenke
Ka m wee nwekwanụ ike ịla
N' ihi na anọọla m ọdụ,
Anyị ga–agwa Ibe ka ọ chọpụta
Ma ọ kakwara nwata ahụ na ndị nwe ya obi

Tupu anyị wee nwee ike ime
Ka ihu anyị na ha hụkọọ
Ihe ọ jeteziri o mee ka anyị mara.
Ọ bụrụ na ije ya enwee isi,
Unu ga–ezukọzi kwuo ụbọchị
Unu ga–aga Agbaja ka unu na ha hụ.
Ọ bụrụ na a kpọọ mụ m ga–esokwa jee
Alaa m
Ka chi bọọnụ (*Ọ pụọ lawa*)

**Ndị Ọzọ:** Ọ dị mma
Ka chi bọọ, ije ọma oo

**Obike:** Em–m Ibe, ị nụlanụ ihe anyị kwuru,
Ị ga–eje bu ụzọ jụpụta nwata ahụ
Ma ọ ga–ekwekwa ka ị bịa dọnye mmanya n'isi ya
Makana ọ bụrụ na o kweghị
Ihe nile a anyị na–agbakeriri ala
Bụ ihe lara n' iyi

**Ibe:** M ga–eje ma m lọta akwụkwọ echi.

**Obike:** Ọ bụrụ na ha kwete,
Anyị ga–ejebi okwu gbasara ya
N' otu nje lọta bịa mere ihe ọzọ
Ngwa jebenụ mara ihe unu ga–eme
Ndị nri anyasị nahụ ericha.
(*Ha apụwa otu otu, ọ fọzia sọ Obike*)
(*Na ntanwị*) Ọ bugodi ka e were mejupụta nkwa
Amaara m onye Devidi Okeosisi Nweke bụ nke oma,
Ọ gaghị ekwe ka e kwutere ya okwu ịlụ nwa ya
Nga ọ ka na–azụ ya na kọleji.

**(Ọkụ Wee Nyụọ)**



# EMUME ATỌ

## Nkeji Mbụ

(*N' ụlọ Nweke, nna Ugomma. N' otu anyasị ahụ Ugo mere ka, nne ya na nna ya mata maka ije ya na Ibe. Ugomma nọ n' ime ụlọ na–agụ akwụkwọ. Nne ya na nwanne ya nke nta, Chinwe nọ n' usekwu na–esi nri anyasị*).

**Diwụmma:** Mma! Mma!

**Ugomma:** Maa! (*Ọ bata n' usekwu*)

**Diwụmma:** Jee doziere nna gị oche
O ji eri nri.
Chinwe jee kupụta mmiri ọñụñụ
Na nke ịkwọ aka.

**Chinwe:** Alakpuola m
Ka chi bọọnụ (*Ọ bawa ebe ahụ Ugo si pụta*)

**Diwụmma:** Ị gaghị eri nri anyasị
Tupu ị laba?

**Chinwe:** Mbaa!
Dotere m nke m
M ga–eri ya jebe akwụkwọ n' ụtụtụ (*Ọ pụọ*)

**Ugomma:** Nne m!
O nwekwaranụ ihe m chọrọ ịgwa gị
Ka mgbe ụbọchị a
Mana oghere anaghị apụtara m
Ịgwa gị ya.

**Diwụmma:** Ọ bụ gịnị nwa m?
Gwawanụ m ihe ọ bụ ugbu a.

**Ugomma:** Ọ bụ maka otu nwata akwụkwọ anyị
Aha ya bụ Ibe Obike
Onye Ụmụeme Abọka
Mụ na ya matara bido n' afọ nke mbụ
Anyị na kọleji.
Ka mgbe ahụ, okwu na–adabara nọọ
Mụ na ya nke ọma.
Ke mgbe ahụ, o nwebeghị mgbe
O mere m ihe ọjọọ, ma ọ bụ chọọ m okwu.
Nwa oge gara aga ka ọ na–ajụ m

Ma nne m na nna m ọ ga–asọkwa ha
Ka ya bịa dọnye mmanya n' isi m.
Ọ bụ ihe m si ka m kọtara gị
Makana achọghị m ime ihe ga–ewe unu iwe.

**Diwụmma:** I mere nke ọma nwa m,
Dị ka i siri bu ụzọ kọtara m ihe a
Tupu ya bụ nwa okorọbịa abịawa
Makana a sị na uko anaghị ada ghara ngiga.
Ihe m ga–eme ka ịghọta bụ nke a
Okwu di otu a abụghị ihe mụ na gị abụọ.
Amaghị m ihe m ga–ekwu ekwu na ya
N' ihi ya, m ga–akọtara ya nna gị
Ka anyị marakwanụ ihe ọ ga–ekwu.
Ọ dịkwa mma otu ahụ?

**Ugomma:** Ọ dị mma.
Ihe kpataranụ m ji sị ka m
Bu ụzọ kọtara gị ya bụ na
Mụ maara na ị ma ka ị ga–esi gwa ya
Nsogbu aghara ịdị
M ma ka o si eji okwu gị akpọrọ ihe.

**Diwụmma:** Ụjọ atụla gị nwa m
Mgbe anyị risịrị nri abalị
M ma ka m ga–esi dowe ọnụ gwa ya
(*Ugo ebilie pụwa ịba n' ụlọ ime ebe ọ na–agụ akwụkwọ.*)
Ị na–ejekwanụ ebee?
Ị gaghị eri nri anyasị?

**Ugomma:** Oolo, m chọghị iri
M ga–eri mgbe chị bọrọ
Ka m jee gụtụ akwụkwọ maka ule.
Anyị ga–ele echi.

**Diwụmma:** Ọ dị mma, chi bọọnụ.

**(Ọkụ Nyụọ)**



## Nkeji Abụọ

(*Ọ hapụ usekwu pụọ, jekwuru di ya, onye nọ na–eche ya. Ha risie nri o bido ịgwa ya okwu maka Ugomma.*)

**Diwụmma:** Nna m ukwu! (*Di ya tụgharịa ihu lee ya*)
O nwekwaranụ ihe Ugo kọọrọ m
M chọrọ ka m kọtara gị
Amaghịnụ m ma o nweela ka
O si kọtara gị ya.

**Nweke:** O nwebeghị ihe ọ kọọrọ m
Ọ sị na gịnị mere?

**Diwụmma:** Ọ sị na ọ bụ ya na nwa Obike

**Nweke:** Olee Obike?

**Diwụmma:** Obike Ekwueme onye Ụmụeme Abọka
Nke na–egbu anụ n' Afọ Abọka

**Nweke:** Ohoo!
Obike, nke ụmụ ndom gbara ụlọ nna ya ọkụ
Mgbe a lurụ ọgụ ndom?

**Diwụmma:** Ọ bụ ya!

**Nweke:** Ị sị na nwa ya mere gịnị?

**Diwụmma:** Na ọ sị na ya na–achọ ịbịa
Ịdọnye mmanya n' isi ya.

**Nweke:** (*N' olu nwayọọ*) N' isi onye?

**Diwụmma:** N' isi Ugomma.

**Nweke:** Olee ebe Ugomma ọ bụ nọ?
Kpọọrọ m ya

**Diwụmma:** Biko ị ga–ejikwa olu ala jụọ
Ya ihe ọ bụla ị chọrọ ịjụ ya.
Ka anyị ghara iji aka anyị mebie ihe
Ụmụ agbọghọ ugbu a; echiche ha dị iche.
Ha bụkwa ndị ara
A naghị amanye hạ n'ọbụ.

**Nweke:** Kpogodịrị m ya
Ị ma ihe m bu n' obi?

**Diwụmma:** Mma! Mma!

**Ugomme:** Maa!

**Diwụmma:** (*O gosị ya oche nta di nso*) Were oche
(*Ọ nọdụ oche, lepagide nna ya anya n'ihu*)

**Nweke:** Ada nna ya! (*N' olu dị nwayọọ*)

**Ugomma:** S a a a
**Nweke:** Ị ma onye bụ Obike Ekwueme, onye Abọka?
**Ugomma:** E e e
**Nweke:** Kedụ ka i si mara ya?
**Ugomma:** M matara ya site n' aka nwa ya
Nwoke bụ Ibe, nwa klasị anyị.
**Nweke:** Ị matara onye ọ bụ n' ihu
Ka ọ bụ na ị ma aha ya?
**Ugomma:** M maara aha ya
Marakwa onye ọ bụ n' ihu.
**Nweke:** Kedụ ka i si mata onye ọ bụ n' ihu?
**Ugomma:** M matara ya ụbọchị anyị nile na–alọta akwụkwọ
Mmiri achụba anyị n' ụlọ ya
Anyị soro nwa ya nwoke, Ibe, gbaba nga ahụ
Ka anyị zere mmiri.
**Nweke:** Kedụ ije gị na Ibe ugbu a?
A sị na gị na ya na–eme ginị?
**Ugomma:** O nweghị ihe mụ na Ibe na–eme
Kama ụbọchị a ka ọ na–agwa m
Na ya ga–abịa ịdọnye mmanya n' isi m.
Ka ọ ga–abụ mgbe m gụsịrị akwụkwọ
Ya bịa mepụzie ihe ndị ọzọ.
**Nweke:** (*Wee gwa nwanyị ya*) Nwanyị ị nụlanụ!
O nwere ihe ị chọrọ ikwu?
**Diwụmma:** O nweghị ihe chọrọ ikwu
Mana otu ihe m chọrọ ịjụ Ugomma bụ
Ma o jikwa aka na obi siri nwoke a
Ike n'ihe ọ na–ekwu.
Makana ụmụ okorọbịa ugbu a bụ ncheke
Onye ji ha n' ọdụ gba aka.
E wezụga otu ahụ, o nweghị ihe ọjọọ m
Hụrụ n' echiche ha na – eche
Makana ọ dị m ka m ahụla ya bụ
Nwokorọbịa ebe a otu ụbọchị m si
Ahịa na–alọta, ka ya na Ugo nọ na–agụ akwụkwọ.
M lechaa ya, anya, umere ya amasị m.
**Nweke:** Ada nna ya, olenụ ihe bụ uche gị n' okwu a?
Nna m sị na a naghị emepụcha mmadụ
Aja n' anya; aka ya emetụghị ya.
Ihe anyị nụrụ n' ọnụ gị,
Ka anyị ga–eji mara ihe anyị ga – ekwu.



Ginị ka ị sakwaranụ ya mgbe
Ọ gwara gị ihe a?
**Ugomma:** Mgbe ọ jụrụ m ma m ga – ekwe,
M zara ya, eee
Ma ọ bụrụkwa na nne m na nna m kweta.
**Nweke:** Ọ pụtara na ị gaghị agụpụcha akwụkwọ
Rụtụkwanụ ọrụ bekee afọ ole na ole
Tupu ị lụọ di?
**Ugomma:** Oolo! Aga m agụcharịrị akwụkwọ.
Ihe o kwuru bụ ka ya dọnyegodi mmanya,
Mee ka nne na nna anyị mata uche anyị.
Mgbe anyị gụchaziri akwụkwọ anyị lụwazịa.
**Nweke:** Ọ dị mma.
Dị ka m na–ekwu mgbe ọ bụla,
Ọ bụghị m ga–ahọtara gị di,
Ma ọ bụ manye gị amanye lụọ di.
Nkwa m kwere gị bụ na
Aga m azụ gị n'akwụkwọ ruo ọkwa
Ọ bụla i nwere ike iru.
Mgbe ọ bụla ị hụrụ onye ọ ga–adịrị gị
Na ya mma, gị lụrụ. (*O chetụ nwa ntịntị*)
Ka anyị na–elenụ anya.
Ha bịa, anyị mara na ha ji okwu.
Onye nọ n' ụlọ ya eche mmadụ
Ukwu anaghị ara ya ahụ.
Labaa nụ, ka chi bọọnụ.
**Ugo na Nne Ya:** (*N' otu olu*) Ka chi bọọ.
(*Ha bilie pụba si ụzọ aka ekpe. Nweke si ụzọ aka nri lakpurukwa.*)

**(Ọkụ Wee Nyụọ)**

## Nkeji Atọ

(*N'ụlọ Nweke. Ugomma nọ ọdụ n'oche usekwu edozi isi ya na ihu ya, iji chọọ onwe ya mma. Nne ya na nna ya na ụmụnne ya ndị ọzọ apụchaala. Ibe kpọrọ enyi ya Ọnwụkwe bata*).

**Ibe:** (*Ọ kụọ aka*) Kpọọ! Kpọọ! Kpọọ!
**Ugomma:** Ọ bụ onye na–akụ?
**Ibe:** Ọ bụ anyị o o. (*Ha wee bata*)

**Ugomma:** Haa Ibe, ị ka jikwa agwa gị a.

**Ibe:** Olee agwa m nke ọ bụ?

**Ugomma:** Kedụ mgbe ị ga–akwụsị ịkụ aka
Tupu ị bata n'ezi anyị a?
Mgbe ọ bụla ị na–eme onwe gị ọbịa ọbịa.
(*O bilie, kezie akwa ya o rute ya n' obi. O yighị uwe ahụ. O dobe enyo na mbọ na uri ndị ọzọ n'elu oche. O jee ibüte oche.*
(*Wee sị Ọnwụkwe*) Enyi! Nke a bụzi anya?
O nwezighị onye na–ahụkwa gị n'ụlọ akwụkwọ.

**Ọnwụkwe:** Ị chọrọ m ị hụghị m?
(*Ọ baa ime ụlọ weta foto chinye ya Ibe. Ibe chinye ya Ọnwụkwe. Ugo laghachi n'ihe ọ na–eme. Ibe buru oche ya bịa ya nso*)

**Ibe:** Mma, kedụ?
Kedụ ka eke si anya anwụ?

**Ugomma:** Ọ dịnọọ mma.
Sọ agụụ ka anyị na–arịa ugbu a

**Ibe:** (*O metụ ya aka*) Agụụ na–agụ gị, ahụ dị gị otu a

**Ugomma:** M M m m! Ama m na ọ bụ ihe ị ga–ekwu.
Ụkpara na–ere, ị sị na ọ haga mmanụ.

**Ibe:** Olenụ ihe a, em em m
Agwọ anyị gburu ọ dị mkpirikpi ole? (*Ọ kpịiri Ọnwụkwe anya*) Isi akwa, ọ dịkwa nga anyị doro ya?

**Ugomma:** Ọ bụkwa agwala m gị
Na anaghị m aghọta ilulu?

**Ibe:** Kedụ maka okwu anyị?
Ị gwazikwara ha?

**Ugomma:** M gwara ha.
N' anyasị ụnyahụ ka mụ na ha na–akpa maka ya.

**Ibe:** Kedụnụ ihe ha kwuru?

**Ugomma:** Ha kwere ekwe. (*Ibe mụrịa, chịa n'obi ya. Ọ manye aka n' akpa obi ya wepụta, akwụkwọ ha si ala Bekee detere ya, nye ya Ugo. Obi macha Ugo mma. O mee nwa ọnụ ọchị.*)

**Ibe:** Ebee ka nne na nna gị jere?
M chọrọ ịhụ ha tupu anyị laa
Ụnyahụ ka e si ala Bekee zitere m akwụkwọ ahụ.
Ọ bụ maka ịgụ akwụkwọ
N' efu n' ala Bekee nke anyị lere



N' ime ọnwa abụọ gara aga.
Ha sị mụ jikere bịawa
Na mbido ọnwa ọzọ
N' ihi ya, m chọrọ ka m mechaa
Ihe nile gbasara gị otu mgbe
Makana m chọrọ ịkpọrọ gị jee (*ọ chịa malie elu*)

**Ugomma:** Nne m jere ahịa
Nna m ha jere nzukọ ọñụ mmanya ha
Gị na ya nwekwara ike zu n' ụzọ
Mgbe unu ga–ala.
O ji igwe jee
Biko Ibe nwanne m chetụnụ ya
Ọ ga–alọta ugbu a (*Ọ gbaba n' ime ụlọ wetara ha beredị*)
Bikonụ ụmụnne m ritụnụ nke a otu ahụ
Anyị erichaala ihe ehihie anyị siri
Ka m zie nwanne m ka o jee kpọọ nna m.
Chinwe! Chinwe! (*Ọ gbapụ. A kụọ beelụ igwe – Mazị Nweke si ụzọ ọzọ bata*)

**Ibe na Ọnwụkwe:** Nna anyị, ị lọtala?

**Nweke:** Ndewonụ ụmụ m
Unu abịala?

**Ibe na Ọnwụkwe:** E e e!

**Nweke:** Unu dịkwa mma (*O kwee ha n' aka*)

**Ibe na Ọnwụkwe:** E e e! Nna anyị.

**Nweke:** Ndị ụlọ unu kwanụ?

**Ndị Ọbịa:** Ha dịchannọọ mma

**Nweke:** Olekwanụ ebe ụmụaka a jere
Unu abịakwuteghị ha?

**Ibe:** Anyị na ha nọ nga a ugbu a
Tupu Mma jewe ịchọ Chinwe
Sị ka ọ bịa chọọ gị.

**Nweke:** Bịa chọọ m?

**Ibe:** E e e! Nna anyị.

**Nweke:** O nwere ebe mụ na ha kere?

**Ibe:** Nna anyị ọ bụ anyị sị ya jee chọọ gị
Makana ọ bụ gị ka anyị chọtara (*Ugomma wee bata*)

**Ugomma** (*Na mgbagwoju anya*) O o o! Ọ lọtala?

**Ibe:** E e e! Otu ịhụ ahu ị pụrụ ịchọ Chinwe ọ bata.
**Nweke:** Ada nna! Ada nna ya!
**Ugomma:** S a a a!
**Nweke:** Bupụtara m otu oche n' ezị nga ahụ (*n' akụkụ Ibe*)
Ngwanụnụ ụmụ m
Nke a bụzi ọjị (*O bunye ya Ibe*)

**Ibe na Ọnwụkwe:** (*Otu olu*) Ndewo nna anyị
I meele ọjị
**Ibe:** Ọnwụkwe ọjị abịala.
**Ọnwụkwe:** Ahụla m ya nwa nnaa.
Meziwenụ ya
**Ibe:** Nna anyị biko meziere anyị ya
A sị na o nweni na–eke. (*O nye ya Mazị Nweke*)
**Nweke:** Ọ dị mma (*O bido ịwa ya bụ ọjị*)
O wetara ọjị wetara ndụ.

**Ibe na Ọnwụkwe:** Ọ bụ ihe mere eme.
**Nweke:** Ndụ nwoke, ndụ nwanyị.
Ihe onye kụrụ ka ọ ga–aghọta
Onye na–adịghị ihe o bu adịghị akụwa ihe
Onye na–adịghị ihe o mere ihe anaghị eme ya
Onye na–echere anyị ndụ, ndụ ru ya aka.

**Ibe na Ọnwụkwe:** Ise oo!
**Nweke:** Onye n'echere anyị ọnwụ,
Ya bu ọkụkọ ụzọ lakpuo ụra.
Nga dị nwata mma ka ọ na–alọ ụwa.
Ogologo ndụ, ahụ ike na ụba dịịrị anyị nile.

**Ibe na Ọnwụkwe:** Ise oo! (*Ọ waa ya were nke ya, chinyezie ha*)
**Ibe:** (*Mgbe ha tasịrị ọjị*) Nna anyị, i meele ọjị.
**Nweke:** Ndeewonụ ụmụ m.
**Ibe:** Nna anyị mụ nwa bụ Ibegbu Obike
Onye Ụmụeme Akabọ
Onye nke a (*Ọ tụọ Ọnwụkwe aka*) bụ nwa nna m
Aha ya bu Ọnwụkwe Nwakamma.
Anyị na nwa gị nwanyị, Ugomma
Na–aga akwụkwọ n' otu kọleji
Ọ bụkwanụ maka ihi ya ka anyị ji bịa.
**Nweke:** Maka ihi m?



**Ibe na Ọnwụkwe:** (*N' otu olu*) Mbaa!
**Ibe:** N' ihi ya, nwa gị nwanyị, Ugomma
**Nweke:** O h o o!
Ọ dịkwa mma? (*Ọnwụkwe kwee n' isi*)
**Ibe:** Ọ dịnnọọ mma nna anyị.
Kamakwa o nwere okwu m gwara ya
Ụbọchị a sị ya kọtara gị ma ya lọta
Gbasara ịbịa dọnye mmanya n'isi ya.
N'afọ a ka m ga – esi na kọleji pụta.
Mana dị ka otu ihe si adị,
Nke a bụ akwụkwọ ha si ala Bekee zitere m
(*O gosị ya akwụkwọ ahụ*)
Maka ule anyị lere n'afọ gara aga.
Ugbu a ha chọrọ ka m bịa bido
Ịgụ akwụkwọ n'efu na mbido ọnwa ọzọ
N' ihi ya ka m jizi bịa sị ka m gwa unu
Na ọ bụghịzi sọ ịdọnye mmanya
Kama m chọziri ịbịa otu mgbe mee
Ihe nile dị n' isi ya,
Kpọrọ nwanyị m makana
Agaghị m ahapụ ya jewe sọ m.
**Nweke:** Ihe mbụ m chọrọ ịjụ bụ
Ọ pụtara na ị gaghị agụpụcha akwụkwọ nke a,
Ebe ọ na ọ fọrọ sọ ọnwa atọ?
**Ibe:** Mbaa!
M ga – agụpụchazi ya ebe ahụ.
**Nweke:** Ọ bụ gị na ọgọ m nke a
(*Ọ tụọ Ọnwụkwe aka*)
Sokwe eje?
**Ọnwụkwe:** Mbaa o o!
(*O hihie n'isi*)
Nke m ga – abụ n' afọ ọzọ.
**Nweke:** Ọ dị mma ụmụ m
Anụla m ihe unu kwuru.
A sị na a hụbeghị nwa egbe anya
A sị na nwanyị anaghị eri ya.
Ya bụ, ihe isi okwu m pụtara abụrụ;
Mgbe anyị hụrụnụ unu
Anyị amara ma unu kpụ okwu.
**Ibe:** Ọ dị mma nna anyị.

*(O bilie, enyi ya so ya)*
Anyị ga – abịa lawa
Ọgọ m nwanyị lọta, i keleere m ya.

**Nweke:** Ọ dị mma ụmụ m
Ije ọma nụ o

**Ibe:** Mma! mma!

**Ugomma:** *(O si n'ụlọ ime wụchaa ozugbo).*
Ibe!

**Ibe:** Anyị alawala.
Echi anyị hụ na sukuulu
M gwazie gị ihe anyị kwutere.

**Ugomma:** Ọ dị mma.
Gaanụ nke ọma.
Ọnwụkwe, ka chi bọọ.

**Ọnwụkwe:** Ọ dị mma ada anyị.
Ka chi bọọ.
*(Ha pụọ. Kọtịn daa.)*

**(Ọkụ Wee Nyụọ)**



# EMUME ANỌ

## Nkeji Mbụ

*(N'ụlọ Nweke. Ibe na Ọnwụkwe, nna ya, nne ya, Nwamkpa, nwunye Nwamkpa, otu okenye ọzọ, ụmụnna Ibe abụọ ọzọ. He abụọ nọ Ọnwụkwe bucha mmanya. Ha nile jichara ọjịji kwesịrị onye ọ bụla. Ha jewe nga Nweke. Ya na nwanne ya, Mbakwe, nọ na–akarị ụka mgbe ha nụrụ aka a kụrụ n' ụzọ. Nna ibe bu ụzọ.)*

**Obike:** Ndeewonụ ebe a o o.

**Nweke:** Ahaa!, unu abịala?
Mbakwe, biko nwanne m zidata ha ihe ha bu.
Biko werenụ oche.
Ndị ụlọ unu na ụmụ ntakịrị kwanụ?

**Obike:** Ha dịchannọọ mma.

*(Mbakwe dozịchaa ihe bịa kwee ha n'aka. Nweke baa n'ụlọ were ọjị n'okwa pụta. O bu ụzọ keleekwa ha ọzọ, kwezie ha n'aka.)*

**Nweke:** Mbakwe!, biko nwanne m jee kpọọrọ m Nwaizu na Izukamma.
Sị ha na onye m hụrụ ugbu a bụrụ ha.
Gị na ha soro ukwụ na ukwụ bịa *(Ọ pụọ)*
Diwụmma!

**Diwụmma:** Nna anyị ukwu. *(Ọ bata kelee ndị ọbịa ahụ)*

**Nweke:** Bịa ka i werekwa ọjị a dote.
Mgbe m chọrọ ya i nye m ya.

**Nwaizu na Izukamma:** Mma mmanụ ebe a o o *(Ha legharịa anya)*

**Nweke:** Ahaa, unu abịala *(ndị bịara abịa azaa ha)* E e e!
Nwaizu na Izukamma, unu abịala.
Biko bịa werenụ oche *(O gosị ha oche)*
Diwụmma! Diwụmma!

**Diwụmma:** Nna anyị ukwu! *(Ọ bịa n' ihu ya)*

**Nweke:** *(N' olu ike)* wetere m ihe ahụ.
Unu baa n' ime ụlọ ahụ
Unu amaghịkwa ihe mmadụ na–ekwu.
Nwaizu nwanne m were ọjị

Nye ndị bịara abịa.
**Nwaizu:** Izukamma nwa nnaa, anyị enwetala ọjị.
**Izukamma:** Ndeewo nwanne m.
Gosịzie ndị ọbịa anyị (*O gosị ndị bịara abịa*)
**Nwaizu:** Nna anyị
A sị na ọjị eze abịaghachirile eze
**Nweke:** Biko meziwe ya nwanne m (*Nwaizu waa ọjị ahụ bu uzo nye Nweke bịa nyewe ndị ọzọ*)
Ụmụnna m, nke ahụ bụrụzie ọjị.
**Mmadu Nile:** Ndeewo Mazị
I meela ọjị
**Nweke:** Nwaizu na Izukamma ụmụnne m,
Ọ bụ mụ ziri Mbakwe bịa kpọọ unu.
Unu ahụlanụ ndị anyị na ha nọ n' ebe a.
Mbakwe! Bupụta mmanya ndị ahụ.
(*Mbakwe bupụtawa udu mmanya n' ike n' ike*)
Ọ bụ ha bu mmanya ndị a nile bịa
Etu a unu hụrụ ha ka m sikwa hụ ha.
Mana tupu ha ekwuo ihe mmanya ha ga,
Anyị ga–añụtụwagodi ya
Makana ndị be anyị sị na
Mmanya gazie ụzọ a na–añụ ya añụ
Ya agahie ụzọ, a na–añukwa ya añụ.
**Mmadu Dum:** Ọ bụ omenala.
**Nweke:** Mbakwe!
Were ihe kụwa mmanya a.
(*Ha bido na–añụ mmanya na–akọ akụkọ dị iche iche, Nwamkpa wee bilie ikwu okwu*)
**Nwamkpa:** Ndị be anyị, ekelee mụ unu.
**Nweke na Ndị Ya:** Ndeewo o!
**Nwamkpa:** O juru anyị afọ ụzọ unu si nabata anyị.
Ọ bụ ezi okwu na nke a bụ izizi
Anyị na–abịa ụdịrị ije a n' ebe a
Ndị be anyị si na awọ anaghị agba
Ọsọ ehihe n' efu.
**Nwaizu:** Ihe mere ede o ji be nwịm.
**Nwamkpa:** (*Ama m sị ịma*) O nwere ụdara anyị hụrụ chara nga Nweke.
Ọ bụ maka ụdara ahụ ka anyị bịara,
Ịma ma ọ ga–adara anyị.



Ụka bụ ilulu.
Ndeewonụ.
**Ndị Ọzọ:** Ndeewoo!
**Nweke:** Diwụmma! Diwụmma!
**Diwụmma:** Nna anyị ukwu
**Nweke:** Gịnị ka i na–eme n' usekwụ?
Buru oche gị bịa nọrọ nga a (*O jee buru oche ya nọdụ n' akụkụ di ya*)
Ụmụnna m na Diwụmma nwunye m
Unu anụlanụ ihe ndị Akabọ kwuru
Ha sị na o nwere ụdara hà hụrụ
Chara n' ụlọ m.
Na ha bịara ka ha mara,
Ma ụdara ahụ o ga–adara ha
Amaghịnụ m ihe bụ uche unu
N' ime ya bụ okwu.
Nke a bụzi okwu ụmụ nna.
**Nwaizu:** Nna anyị, na ụmụnna m,
A sị na onye nwe ozu na–ebu ya n' isi
Anyị na–elezi gị anya n' ọnụ
Tupu anyị mara ihe anyị ga–ekwu.
**Nweke:** Ọ dị mma.
Mụ maara ihe kpataranụ m ji kwuo etu ahụ
Ka anyị ghara ikwegbu nwa okwe na ji
Onye ọ bụla nọ n' ebe a
Ghọtara na ọ bụ Ugomma nwa m
Ka ha na–ekwu maka ya .
Oge agaala mgbe nne na nna
Na–eji aka ha ahọtara nwa ha
Onye ọ ga–alụ ma ọ bụ onye ga–alụ ya
Ọtụtụ ihe agbanwoola.
Ọ dị m ka anyị ga–akpọnụ, Mma
Jụọ ya ihe bụ uche ya.
**Izukamma:** Ụmụnna a, biko cherenụ
Olee ihe anyị nọ ngaa
Na–ala oge n' ịyi?
Ebe ọ bụ na okpu dị n' ahịa,
Isi dị n' ahịa
Kedụzi ihe bụ okpu nke a
Ọ ga–abakwa isi?
Ka anyị kpọọnụ Mma jụọ ya

Marakwanụ ihe ọ ga–ekwu.
**Diwụmma:** Ndị di m unu anwụla
Akwadokwaranụ m ihe ahụ Izukamma kwuru
Ihe nile dị Ugomma n' aka
A sị na onye sụ akpụkpọ ukwu
Ma ebe ọ na–adụ ya ogwu.
**Nweke:** Ndeewonụ ụmụnna a
Okwu unu nile dabara adaba.
Mma! M–ma!
**Ugomma:** Nnaa! (*O rere sị n' usekwu pụta*)
**Nweke:** Bịa nwa m bịa kelee ndị bịaranụ
**Ugomma:** Unu abịala (*n' olu nwayoo*)
**Ndị Obịa:** Ndeewo nwa m (*Ibe na Ọnwụkwe mụrịa gbarịtara onwe ha anya.*)
**Nweke:** Nọdụ ọdụ nwa m
Ndị a bụ ndị Ụmụeme Akabọ
Ha sị na ha bịara okwu gị
Ọ bụ ha butere mmanya ndị a
Ị sị ha bịawa ka ị sị ha abịazila?
**Ugomma:** Ha bịawanụ.
**Nweke:** Ọ bụrụ na ị chọọ ka ha bịawa,
Ñụrụtụnụ mmanya a ntakịrị
Bunye onye o bụ n' ime ha.
(*Ọ nara mmanya, hulata ñụrụtụ jee bunye Ibe ụfọ ya. Egwu na ọchị kpọrụọ ebe dum*)
**Obike:** Igbo kwenụ!
**Onye Obula:** H a a!
**Obike:** Akabọ kwenụ!
**Onye Obula:** H a a!
**Obike:** Agbaja kwenụ!
**Onye Obula:** H a a!
**Obike:** Kwezuonụ!
**Onye Obula:** H a a!
**Obike:** Anyị ekeleka unu ndị ọgọ m
Maka nnukwu ugwu na nsọpụrụ
Nke unu kwanyere anyị taa.
N' aha mụ onwe m,
Enyere mụ unu ekele pụrụ iche
Makana onye e kwere nwa ya di
Ọ bụ ya ka e kwere di



Ihe ọzọ m chọrọ imata site n' aka
Ọgọ m Nweke bụ ihe gbasara
Otu anyị ga–esi kwuo ihe banyere
Igbubi ọnụ nwanyị
Makana abalị iri taa bụ Afọ
Ka Ibe nwa m ga–ebili jewe ala Oyibo
Ọ chọkwara ka nwanyị ya so ya otu aka ahụ.
Ndeewonụ.
**Izukamma:** Ndeewo, okwu gị dabara adaba.
**Nweke:** Ọgọ m Obike, ndeewo.
Anụrụ m ihe i kwuru.
Amaghị m ihe bụ igbubi ọnụ nwanyị.
Ada m sị na ọ bụ nwa gị nwoke bụ
Ibe, ga–alụ ya.
Alụnyekwalanụ m ya unu.
Nanị ihe m chọrọ n'aka unu bụ
Kpazierenụ m ya nke ọma.
Unu ga–enyere m aka n'izụpụta
Nwanne ya nke nta
Makana ike agwụala m n'ọrụ.
Mmadụ a kawala.
Unu lawa ugbu a,
Ọ ga – esoro unu welaara unu ụdu.
Abali anọ taa, ndị ọgọ m
Unu bịa, mere ụmụnna omenala ha
Nke a bụ ome.
Ọ bụ afọ ehi mma adịghị ebe ya
Ibe ga–eso bịa ka m hụ ya anya
Tupu ha zọlie ije ha.
**Izukamma:** Nweke, i kwuola ya,
Mana o nwere ihe ndị dị mkpa.
Ihe ndị a dị mkpa bụ ihe ndị
A ga–emere ụmụnna.
O bụghị sọ nne na nna mụ nwa.
Nwa bụ nwa ọha n'ala Igbo
Ya ka o ji dị mkpa na ndị ọgọ anyị
Ga–emere anyị ihe ụmụnna
Unu mechaa nke a
Ihe o sọrọ gị na ndị ọgọ gị
Ime maka ọnụ akụ, nke ahụ
Bụzị okwu unu

Ihe anyị maara bụ na – – –
**Obike:** Biko, kwuo okwu.
Ọ dị omenala unu, anyị ga–emecha ha
Ya dị omenala ụmụnna unu
Gwa anyị ha anyị ga–emecha ha.
Ndeewo.
**Izukamma:** Nwizu, ngwanụ hasịala ha ihe ụmụnna
N'ihi na a sị onye bu ozu n'isi
Ya ma ụzọ ndị mmụọ
Ọ ka bụ izu gara aga ka
Ndị ọgọ gị bịara mere gị mmemme nile.
Ibe anyị ọ bụkwa ya?
**Ụmụnna Ya:** Ọ bụ ya o.
**Nwizu:** Ihe ndị ahụ bụ ndị a:
Ihe abali anọ:
Isi anwụrụ anọ, udu mmanya aka abụọ anọ
Mbi anwụrụ anọ, nnu anwụrụ anọ.
Ololo mmanya ọkụ anọ
Anwụrụ bekee nke ụmụokorobịa, isi anọ
Na ego e ji agụ ihe ndị a.
Ụmụnna m ọ kwanụ ya?
**Ụmụnna Ya:** Ọ bụ ya.
**Nwizu:** Gị mechaa nke a
Gị emeela anyị ihe abalị asatọ
Ihe ndị a bụ:
Udu mmanya asatọ
Isi anwụrụ asatọ
Mbi anwụrụ asatọ
Nnu anwụrụ asatọ
Mmanya ukwu abụọ
Mmanya ọkụ, ololo asatọ
Anwụrụ bekee nke ụmụokorobịa isi asatọ
Ewu ụmụnna ga–eri
Ya na ego ịkwada udu
Gị mechaala anyị ihe ndị a ya . . .
**Ụmụnna Nweke**
**Ndị Ọzọ:** Chere Nwizu ọ gwụbeghị
**Nwizu:** Onye mara nke fọrọ ya kwuo.
**Otu nwanna Ya:** Nwizu, i meela, ị gbalịala.
Ụbụrụ gị dịkwanụ ọkụ



Ichetacha ihe nile a
Ma ọ fọdụkwara.
**Ndị Ọzọ:** Kwuo ihe ọ fọdụrụ.
Kwuo ya ebe a asọla anya.
**Izukamma:** Cherenụ ka m kwuo
Mụ ekwughị okwu n'ihe m
Aga m ekwu ya ole mgbe?
Mmadụ kpọ ihe ya ihe ya,
Ọ bụrụ ihe ya, ma
Mmadụ kpọ ihe ya ihe onye ọzọ
E mee ya ihe onye ọzọ.
**Nwizu:** Gị mara ihe fọdụrụ kwuo ya
Ebe a ka ọha na eze nụrụ.
Afọ ime anaghị ekpuchi ya aka.
Ihe a anyị na–eri kwa ọnwa
Ọ dị onye ọ gaghị adụrụ?
Onye mara onye mara, ụgha alaa.
**Izukamma:** Ndị ọgọ unu anwụchula
**Ndị Ọgọ:** Anwụchula nke gị.
**Izukamma:** Ihe anyị na-ekwu ebe a bụ
Omenala anyị, anyị agaghị
Asọ unu anya n'ihi na
Nwa anyị na nwa unu ga–aga ala Bekee.
O teka anyị hụwara ihe.
Tupu anyị ahụ unu ọtụtụ ụmụ anyị
Agaalarị ala Bekee lọta.
Ụfọdụ ka nọkwa ebe ahụ.
Ihe m na–ekwu bụ na ihe anyị
Na–agwa unu bụ omenala anyị
Ọ bụghị omenelu.
Anyị agaghị eriju ọnụ kworo unu.
Anyị agaghị eburukwa ọnụ kworo unu.
Ije anyị na unu ga–adị mma
Ibe anyị ọ bụkwa ya nụ e?
**Mmadụ Nile:** Ọ bụ ya o!
**Izukamma:** Ihe ọzọ fọrọ bụ ihe anyị na–akpọ
Ihe ịkwaghe ọnụ mkpu
Ihe dịkwanụ n'ime ya adịghị ọtụtụ
Ọ bụ ihe ndị a:
Udu mmanya aka abụọ anọ
Isi anwụrụ anọ

Ololo mmanya bekee anọ
Isi anwụrụ bekee anọ
Mbi anwụrụ anọ
Na ego e ji agụ akụ
Unu mechaala anyị ihe ndị a, ndị ọgọ m
Unu kpọrọ nwanyị
Ada machaa mma, ọ bụ nna ya ga–alụ ya?

**Ndị Ọzọ:** Mbaa!

**Izukamma:** Ibe anyị ọ gwụ.
Unu mechazie, ihe unu na
Ọgọ unu nwoke kwuteziri
Ya adịwa otu ahụ
A naghị alụcha nwanyị alụcha
Ndewonụ

**Ndị Ọzọ:** Ndewoo!

**Obike:** Ndị ọgọ m mma mma nụ o!
Ọha na eze mma mma nụ o!
Ekelee m onye ọ bụla.
Onye ọ bụla ma na
Ụmụnna bụ ike
Ihe unu kwuru, anyị ga–eme ha.
Kama ede sie n'ọkụ, ka nkụ gwụ.
Ebu jụrụ akwụ ya, ọ gbaa.
A hụ nwa ndụdụ, a hụ ihe ọ dụdụ.
Ụka a kpara akpa,
E ji isi ekwe ya.
Yipụrụ anyị agba n'abalị anọ ya
Ihe nile a ga–ezu.
A machaa ala anọgharịa.
Ndị ọgọ m ndewonụ
Mma mma nụ o.

**Onye Ọ Bụla:** Mma mma o.

**(Ọkụ Nyụọ)**



## Nkeji Abụọ

*(Abalị anọ ya. Ụmụnna Obike, Ibe na ada ha na ụmụnwanyị ha wee zụọ oke. Ha bu mmanya, kpụ ewu, kpa anwụrụ dị iche na ihe nile a gwara ha.)*
*(Ha wee bata kụọ aka n'ụzọ)* Kpọm! kpọm! kpọm!

**Nweke:** Ọ bụ onye?

**Obike:** Ọ bụ anyị o ọgọ m!

**Nweke:** O! ndị ọgọ nnọnụ,
Unu abịala.
Ndewonụ!

**Ndị Ọgọ Ya:** Ndewonụ.

**Nweke:** Olekwanụ ọgọ m nwanyị?
Ụmụaka unu kwanụ?

**Obike:** Leenụ ọgọ gị nwanyị, Ogbediya.
Ahụ dịchasị ụmụaka anyị

**Nweke:** Olee nwanyị m, Diwụmma?
Biko bịa lere mụ o!

**Diwụmma:** Ndị ọgọ m unu abịala
Nnọọnụ. Unu abịala.

**Nweke:** Ndị ọgọ m nọdụnụ ala.
Oche dị
*(Ha nọdụ ala)*
Mmaji! Mmaji!

**Mmaji:** Nna m!

**Nweke:** Biko jee kpọ ụmụnna m
Gwa ha na oke ọbịa abịala.

**Mmaji:** O, nna m. *(Ọ pụọ)*

**Nweke:** Ndị ọgọ m mma mmanụ o
*(O kwekwa ha n'aka otu n'otu*
*wee kelesịa ha; Mmaji wee bata)*

**Mmaji:** Nna a ha na–abịa
*(Ha dị mmadụ ise we bịachie anya. Ụfodụ bu oche ha, kpụ ọkpụka n'ọnụ, ndị ji mkpara).*

**Ụmụnna Nweke:** Ndị ọgọ anyị nnọọnụ
Unu abịala.

**Nweke:** *(Wee pụta kelee ha, o wee weta ọjị bunye ha site n'aka nwanne ya nwoke Mbakwe)*
Mbakwe, nke a bụzị ọjị,

Were ya sụziere ha.

**Mbakwe:** (*Bunye ya Izukamma*) Nna anyị ukwu ọjị abịala

**Izukamma:** Ụmụnna m na ndị ọgọ m, ọjị abịala

**Mmadụ Nile:** Anyị ahụla ya mezie ya.

**Izukamma:** Ibe anyị ndewonụ o!

**Ndị Ọzọ:** Ndewo!

**Izukamma:** Ibe anyị ka a gọzie ọjị.

P.24 **Ndị Ọzọ:** Ngwanụ.

**Izukamma:** Nna nna ha leenụ ọjị;
Bịanụ soro anyị gọzie ya,
Ma werekwanụ oke unu.
A sị na ọkụ a gụnyere
Nwata anaghị ahụgbu ya.
Ndụ anyị na ndụ ndị bịara abịa
Ibe anyị, anyị ga–adịnu o!
Onye sị na anyị agaghị adị,
Ihe o cheré so ya.
Onye na–eme ihe ọma,
Ihe ọma kpọkwa ya ihu.
Onye ọjọọ na ihe ọjọọ sorokwa
Anọkwa m na egbe bere ugo bere
Nke sị ibe ya ebela ndị ibe anyị
Asi m nku kwa ya.
Nwanyị a na–alụ alụ abụghị,
Ihe ọhụụ n'ala anyị;
Omenala anyị na–emekwanụ
Bụ ihe adị mbụ na–eme.
Ada machaa mma, nna ya
Adịghị alụ ya.
Onye mụọ onye ọzọ alụrụ.
Ije ndị ọgọ anyị
Maakwa mma ya ajọla njọ
Ihe ga–egbu anyị,
Ya gburu onwe ya.
Ibe anyị, anyị ga–ata ọjị
N'ahụ ike na obi ọma
Ala anyị bịa gọzie ọjị,
Chi nwe anyị bịa taa ọjị
Ma gọzie anyị, gọzie ụmụ anyị
Gọzie ji na ede anyị o
Ka ihe ọma a maruo mma n'isi o!



**Ndị Ọzọ:** Ise o: I mere ya o.

**Izukamma:** Ndewọnụ. Nwa a wazienụ ọjị a
Ka anyị taa. (*Ha atawa ọjị*)

**Nweke:** Werekwanụ mmanya nke a ji lofee ya.

**Izukamma:** Mbakwe nke a rukwara gị
Kụwa mmanya a.
(*Ha wee na anụ na–akparịta ụka*)

**Nweke:** Ndị ibe anyị kwenụ!

**Mmadu Nile:** Ho!

**Nweke:** Ndị ọgọ anyị kwenụ!

**Mmadu Nile:** Ho!

**Nweke:** Ndị Igbo kwenụ!

**Mmadu Nile:** Ho!

**Nweke:** Ikwu na ibe m na ndị ọgọ m
Asị m ka m chetara unu na ọbịara abịa jiri ụka bịa.
Ụmụnna m, ndị unu hụrụ ebe a bụ ndị ọgọ anyị
A sị na ụka a kpara akpa na e ji isi ekwe ya.
Ndewonụ!

**Izukamma:** Nweke, ị na–echerenụ ka anyị
Ñụchaa mmanya, ma ọtu i kwuru
Ọ dị mma n'ihi na chi nahụ eji.

**Obike:** Ndị ọgọ m ekelee m unu.
Nke ka nke ekelee m ọgọ nwoke
Bụ Nweke na unu nile
Na nnabata ọma unu nabatara
Mụ na ụmụnna m.
Ahụkwalanụ m na ije anyị enweela isi
Ihe anyị bịara bụ ka
Anyị na unu gbaa
Izu ụmụnna ahụ taa.
Ọ dịzie ihe forọnụ, e mesịa
Mụ na ọgọ nwoke emezie
Ndewonụ.

**Nwaizu:** Ibe anyị okwu nile dị m mma.
Ma ihe anyị ga–eme bụ nke a:
Ọ bụ eziokwu na mmadụ
Nile puru anya ma ọ bụghị
Mmadụ nile na–ahụ ụzọ.
Anyị ga–eje n'ụlọ,
Lee ma ihe nile anyị chọrọ

Ma o zuola.
Ya zuo, anyị ga–agwa unu;
Ya ezubeghịkwanụ anyị na ha
Ga–emezi bịakwa gwa unu.
Ibe anyị ọ dịkwa mma otu ahụ?

**Ndị Ọzọ:** Ọ bụ ya o!

(*Mmadụ ole na ole n'ime ndị ọgọ Nweke na ndị ụmụnna ya we pụọ. Ka ha pụrụ mmanya wee na–agakwa. E mechaa ha wee bata*).

**Izukamma:** Igbo kwenụ o!

**Ndị Ọzọ:** Ho!

**Izukamma:** Kwezuonụ!

**Ndị Ọzọ:** Ho!

**Izukamma:** Ụmụnna m na ndị ọgọ m
E kwezie ọnụ ahịa, okwu agaghị adị
Dị ka Nwaizu gwara unu, a machaa ala a nọgharịa
Izu bụ onye ụjọ
A gachaa n'izu, a kọọ ya.
Anyị agaala jikwa anya hụrụ
Na ndị ọgọ anyị emeela mefere
Ihe a gwara ha.
Ekeleka m ha.
Ndị ọgọ m unu emeela.
(*O kwe ha n'aka otu n'otu*)
A sị m ihe dị m mma
Ya dịkwa Chi m.
Ihe anyị nọzi ugbu a bụ oriri na ọñụñụ.
Anyị richaa, ñụchaa onye nwe ihe
Ya were ihe ya.
Ihe anyị mazi bụ o ruo ọnwa
Itolu n'ihu ka a gwakwa anyị
Na ọ gbaala.
Obi ga–adị anyị ụtọ.
Nweke, ndị ọgọ anyị nwe aka a.
E mechazie gị na ha meziri ihe fọdụrụ
N'ihi na anyị bụ ụmụnna anarala nke anyị.
Ndewonụ o.

1-13-05 **Onye Ọ Bula:** Ndewo!

**Obike:** Ndị ọgọ m unu anwụchula
A sị m ya gazie.
Izukamma, ọgọ m, gị nwe aka a
Nweke na Ogbediya, unu emeela.
Oleekwanụ nwa m nwoke na ada anyị?
Ụmụnna m na ndị ọgọ m
Anyị ekelee.
Anyị ga–abịa lawa
N'ihi na chi ejimiela
Ndewonụ ndị ọgọ m.

**Mmadụ Nile:** Ndewo!

**Nweke:** Ndewonụ ndị ọgọ m
Ekelee m unu n'ihe nile unu mere
Unu emepụla m ihere n'anya
Ekele dịrị unu.
Ngwa, Mma lee di gị
Ibe jizie ya nke ọma
Mgbe unu ga–eje Chukwu duo unu
Afọ anọ abụghị nnụ afọ
Chukwu duo unu.
Ndị ọgọ m ekelekwa m ọzọ
Mma mma nuo. Ndewonụ.

**Mmadụ Nile:** Ndewoo!

(*Egwu wee sụrụ, mmadụ nile wee bilie, Ibe akpọrọ nwunye ya. Ha agbawa egwu wee lasasịa*)

## Ọkụ Wee Nyụsịa